# IKPÉ ÁKỤ́MMIRI IGWÉ, IGURUBE, NA ỌCHỊCHỊRỊ

## Ọpupu 9:13-35; 10:1-29

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 55 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "JEHOVA nēsi n'ọnọdu-Ya aputa iji ajọ omume nke ndi bi n'uwa leta ha" (Aisaia 26:21).**

**Enyere Ebemgbabà**

Iheọjọọ kachasị ukwuu dịrị ndị Ijipt n'iru karịa nke ha hụworo n'iheotiti isii ahụ nke bu ụzọ. Nke náabịa gaje imerụ ha arụ̀ ọbụná rue nime mkpụrụobi ha. Ma ọ dị ebere nke eji gwakọta n'ikpé nke a.

Chineke gwara Moses ka ọ gwa Fero na Ya gaje izite ákụ́mmiriigwe dị ukwuu nke gaadị ukwuu karịa ihe ọ bụla mewororị n'ala ahụ na mbụ. Ọ gaadị ukwuu rue na ọ gaetigbu ndị ọ bụla nọ n'èzí, ya mere Moses dọrọ eze ahụ akanántị ka ọ kpọbata ndị orù ya niile na anụụlọ ya niile site n'ọhịa. Mgbe mmekpaarụ̀ a nke Chineke meworo ka ọ dakwasị ndị Ijipt gasịrị, mmadụ pụrụ iche na ha gaekwere ngwangwa na ihe Moses kwuru gaemezu otú ahụ, wee gbaa ọsọ chọọ ebemgbabà. Ma ụfọdụ mmadụ atụghị Jehova egwù, ha wee nọgide n'ọhịa, ewee tigbue ha, ha na anụụlọ ha niile nke náanọghị n'ogige ha. Ì chèghị na ndịa dị nzuzu ịnọ n'èzí ewee tigbue ha?

Jisọs adọwo anyị akanántị na ụbọchị iwe Ya naabịaru nso, na ndị niile chọrọ ka azọpụta ha nwereike ịbịakute Ya wee gbabà n'okpuru Ọbara Ya. Ma ụmụmmadụ n'aga n'iru n'ụzọ añaghịntị ha, náamaghị kwa mgbe ikpé ahụ gaeji malite, ma ha adịghị ejikere izute Chineke. Onyenweanyị pụrụ ịbịa mgbe ọ bụla; mgbe ahụ ndị jikeere gaje izute Ya n'elu, ndị nke agaarapụ gaabà nime óké mkpagbu ahụ dị egwù. Jisọs sịrị na mmadụ abụọ ganaararụụra n'otù ihendịna; agaewere otù, rapụ ibe ya. Ndịnyom abụọ ganaegwe nri ná nkume igwenri; agaewere otù rapụ ibe ya. Ọ̀ gaghị abụ ihe dị óké egwù mmadụ ịbụ onye agaarapụ? Mmụọ Chineke naasị "Onye na-achọ" ya bịa, nke a pụtara mmadụ niile.

Ọ bụ Chineke rọpụtara Fero dịka eze, nye kwa ya ike dị ukwuu. Ọ bụghị uche Chineke na Fero gaabụ onye furuefu; ma ọ bụrụ na ọ gaje iguzogide Chineke rue ọgwụgwụ, Jehova chọrọ ka ụwa niile mara ihe agaeme ụdị mmadụ ahụ. Dịka ịdị elu nke ike ya si dị bụ kwa otú ịdị ukwuu nke ọdịda ya gaesi dị. Chineke gaje igosi na Ọ bụ Onyenwe ụwa niile.

N'ọtụtụ arọ garaaga, ọtụtụ mmadụ achọwo ịgọpụ na ọ dịghị mgbe iheotiti ndịa bịakwasịrị Ijipt; ma ná mgbe náadịghị anya, ndị náegwupụta ihe dị n'ala achọpụtawo n'ebe mkpọmkpọ ihe dị, nkume nke eliri n'ala ahụ nke edekwara ihe n'elu ya nke náakọwa banyere mbibi ahụ nke dị ukwuu karịa ike mmadụ, bụ́ nke bịakwasịrị Ijipt na ọpụpụ nke igwè ndị Hibru ahụ bụ ndi orù. Okwu Chineke naegusogide mbuso agha niile nke ndị náekweghịekwe nke ọgbọ niile, ma ihe O kwuworo gaemezu.

**Àkụ́mmiriigwé, Égbèeluigwe na Àmụ̀mà**

Mgbe Moses setipụrụ mkpan'aka ya, ákụ́mmiriigwé wee malite ịdà, égbèeluigwé naada óké ụ̀dà, àmụ̀mà dị ike naegbu, ọkụ wee náere kwa n'eluala. Ọtụtụ mmadụ naekpe ekpere mgbe ọ bụla ha nụrụ ụ̀dà nke égbèeluigwé; ọ dị mkpà na ha gaeme nke a, n'ihi na àmụ̀mà nwereike itigbu ha na mgbe ọ bụla. Ma nchègharị nke esitere n'egwù nweta adịghị anọgide. Mgbe óké ifufe ahụ gabigasịrị, egwù ahụ ewee gasịa, anaechefu ekpere ahụ niile.

Àkụ́mmiriigwé ahụ dị ukwuu nke mere na ha bibisịrị mkpụrụ niile dị n'ubi, ọbụná osisi niile, wee tigbue ụmụmmadụ na anụmanụ anaekpuchighị. Ma na Goshen, ọ dịghị óké ifufe dị. Eleghịanya, ụmụ Israel nụrụ ụ̀dà égbèeluigwé ahụ, mata kwa ụdị nsogbu nke dị n'Ijipt; ha pụrụ ịhụ́ àmụ̀mà ahụ kwa; ma ha bụ ụmụ Chineke, ndị nọ kwa n'okpuru nchébe Ya. Ọ dịghị àmụ̀mà gburu na Goshen; ọ dịghị ákụ́mmiriigwé dara n'ọhịa niile nke ndị Hibru.

**Mwute Náenweghị Nchègharị**

Fero malitere ịhụ́ ìhè ahụ. Ọ kwetara na ya onweya bụ onyemmehie wee rịọ Moses ka o kpeere ya ekpere. Ma ọ dịghị mgbe o kwupụtara na ya nwere mwute n'ihi mmehie ya niile. Fero yiri ndị ahụ náenwe mwute n'ihi nsogbu nke mmehie ha naewetara ha, ma ha adịghị eruuju na ha mehiere megide Chineke.

Moses wee si n'iru Fero pụọ, setịpụ aka ya ná nchérịtairu eluigwe, óké ifufe ahụ wee kwụsị. Ma lee ụdị mbibi ọ lụpụtaworo! Mkpụrụ niile nke achọworo iwe n'iheubi ka o bibiri; tidakwa osisi niile; ọtụtụ mmadụ nwụkwara. Ngwangwa eze ahụ hụrụ na óké ifufe ahụ akwụsịwo, o wee chéfue mkwupụta ya, wee gaa n'iru ná mmehie ya karịa.

**Mkwuwaokwu Dị Nsọ**

Ọchịchọ niile nke Moses naaga n'iru karịa. Ọ dịghị atụ́ egwù Fero (ọ bụ kwa ihe ịtụn'anya na ọ dịghị mgbe Fero chọrọ ụzọ igbu Moses na Eron), kama ọ naeji anyaike maọbụ mkwuwaokwu náeguzo n'iru ya n'agwà ya okwu maka iheotiti ndịọzọ gaje ịbịa. Mmụọ Chineke nke dị nime obi ndị nke Ya naeme ka ha were mkwuwaokwu guzogide mmehie na ike niile nke mmebiiwu. Anyị gụtara ụdị mkwuwaokwu nke Daniel nwere mgbe anaagwa ya naagaje ịtụbà ya n'olùlùọdụm. O kpereekpere dịka ọ naeme na mbụ, wee tụkwasị Chineke obi ichebe ya. Ụmụ Hibru atọ ahụ pụrụ ikwu sị, "Ọ digh ayi nkpà izaghachi gi okwu banyere nka. Asi na ọ di uzọ ọ bula Chineke ahu

Onye ayi onwe-ayi nēfe puru inaputa ayi, ọ bu n'oké ọku nke nēnwu ajọ onwunwu na n'aka-gi, eze, ka Ọ gānaputa ayi. Ma asi na Ọ pugh inaputa ayi, ka i mara, eze, na chi gi nile ka ayi nāgagh-adi nēfe" (Daniel 3:16-18).

**Ekwuru Banyere Ụkọ Iheoriri**

Ihe naesiike karịa n'Ijipt. Mgbe náadịghịanya agaghị ahụ kwa ihe agaeri. Àkṹmmiriigwé etidasiwo ihe akụrụ n'ubi ma ugbu a anaekwu na igurube gaabịa, na ha gaerichapụ ihe niile nke fọdụrụ. Ndịorù Fero naada mbà n'obi. Eze, ọ̀ pụghị ịhṹ na anaebibi ala ha? Òlee urù ndịorù a niile gaabà ma ọ bụrụ na ọ dịghị iheoriri enwere? Gịnị mere agaghị arapụ ndịa ka ha laa, ka enweghachị udo na ọ gan'iru n'ala ọzọ?

Fero chere échìchè banyere ihe ha kwuru wee kpọbata Moses na Eron n'iru ya. Ọ sị ha ka ha kwue nnọọ ihe ahụ bṹ ihe ha chọrọ ọ bụ ezie na o were anyị anya na o matara. Eleghianya, ọ naeche na Moses gaekwughachị ihe ọzọ wee ghara ịchọ kwa ihe ahụ niile ọ chọrọ na mbụ. Ma ọ dịghị mkpụrụ okwu ntakirị ọ bụla nke Moses rapụrụ. Ha gaachịkọrọ ihe niile ha nwere mgbe ha gaeje ifè Chineke òfùfè, dịka anyị gaesi nyebiga ihe niile anyị nwere ókè n'aka Chineke mgbe anyị naadị ndụ ime ihe gaadị Onyenzọpụta anyị mma. Moses rụgidesịrị ike na ha niile gaeje n'ọzara ifè òfùfè: ma ụmụokorọbịa ma ndịokenye, ma ndịkom na ndịnyom, ụmụntakịrị ha, na anụmanụ ha niile. Fero kànàekwesi olu ya ike; ya mere Moses setipụrụ aka ya n'elu ala, igurube wee pụta.

Igurube wee dị n'ebe niile. Ala jupụtara na ya rue na mmadụ apụghị ijéijè naazọpịaghị ha n'okpuru ụkwụ ya. Igurube dị ime ụlọ niile; ha jupụtara n'elu nke mere na ha kpuchiri akwụkwọ ndụ ọ bụla nke àkṹmmiriigwé rapụworo.

Ọ dị ka Fero chọpụtara na ọ bụrụ na iheoriri a agaa n'iru, ọ pụrụ iwetara ha niile ọnwụ, o wee mee ngwangwa kpọọ Moses na Eron ọzọ. O kwere na ya onweya emehiewo megide Chineke, megide kwa Moses, ma ọ sịghị na ihe ya mere wutere ya. Náánị ihe ọ chọrọ bụ ka agbaghara ya ka o wee ghara ịnwụ. Mgbe Chineke wepụrụ igurube ahụ niile, ọ dịghị nke Ọ rapụrụ ka o ree ure n'ọhịa, kama O ji ifufe febà ha niile n'Osimiri Uhie nke ọ bụla nime ha. Ma Fero ekweghị ka ndị ahụ laa.

**Óké Ọchịchịrị**

Moses adọghị eze ahụ akananntị banyere iheotiti ọzọ nke gaje ịbịa. Site n'ọ̀zízá nke ihe Chineke nyere n'iwu, o setịpụrụ aka ya, ọchịchịrị we kpuchie ala ahụ. Ná mmalite, Chineke sịrị, "Ka ìhè di," ìhè wee dị. Ọ bụ Chineke nke Eluigwe, ọ bụghị chi nwoke niile na chi nwanyị niile nke ndị Ijipt naefè, nwere ike n'ebe ìhè na ọchịchịrị dị. Ewezuga chi nke anyanwụ na chi nke ìhè bṹ nke ndị Ijipt kwere na ha, enwere chi nwanyị nke ọkụ nke iheotiti nke ọchịchịrị ahụ mere ka ọ pụta ìhè na ọ dịghị ike o nwere. Ọ dị ka, mgbe ọchịchịrị ahụ, gbachiri, ọbụná ìhè niile ọzọ nke eji ahṹ ụzọ apụghị inye ìhè n'ihi ịdị ike nke ọchịchịrị ahụ. Ndị Ijipt arapụghị ụlọ ha niile rue abalị atọ n'ihi na ha apụghị ịhṹ ihe ọ bụla. Ọchịchịrị ahụ dị ukwuu na apụrụ ibitụ ya aka. "Ma ụmụ Israel nile nwere ìhè n'ebe-obibi nile ha" (Ọpupu 10:23). Ọ̀ gaghị adị gị mma ịnọ n'ụlọ dị ala na Goshen ebe ìhè dị karịa n'ụlọukwu Fero mara mma ebe gbara ókè ọchịchịrị? Ndị Ijipt hụrụ ahụhụ náánị abalị atọ nime ọchịchịrị ahụ; ma ndị mmehie ahụ nke náewezuga onweha ịña Chineke ntị wee jụ ichègharị, n'otù aka ahụ, ha na ndị Ijipt ahụ, gaje ịnụ okwu ikpé Chineke sị: "Kenu ya ukwu na aka, tupu ya n'ọchichiri nke èzí; n'ebe ahu ka ikwa-ákwà na ita-ikikere-ezé ahu gādi" (Matiu 22:13). Ọchịchịrị ahụ gaadigide rue mgbe ebighịebi -- ọ gaghị agwụagwụ.

Lee otú ụzọ nke OnyeKraist si bụrụ ihe dị mma nke ukwuu: "Ma okporo-uzọ ndi ezi-omume di ka ìhè nēnwu enwu, nke nāmu aga n'iru n'iru rue mgbe chi bọchara" (Ilu 4:18). Jisọs bụ ìhè nke ụwa ụgbu a, ma mgbe anyị gaabà n'Eluigwe, anyị gaahṹ na anyanwụ na ọnwa agaghị adị mkpà, n'ihi na ebube Chineke gaenye ìhè, na "oriọna-ya bu kwa Nwa-aturu ahu" (Nkpughe 21:23). Ọ dịghị onye ọ bụla gaatụ kwa egwù ọchịchịrị.

**Mkwenye Dị Ntà Fero Kwenyere**

Ọzọ kwa, Fero chéré na ya gaekwe ka ndị ahụ laa -- nke ugbu a, ọbụná ma ụmụntakịrị. Ma ọ ka chọkwara ka ha rapụ anụmanụ ha niile. Ma Moses ekweghị. Ihe niile ọ bụla aghaghị ijé! Chineke enyewo nke a n'iwu; ma ewezuga nke a, gịnị gaabụ ọnọdụ ha ma ọ bụrụ na ha ejiri náánị nwaagbọghọ ehi olenaole jee n'ọzara iji chụara Jehova àjà, mgbe Chineke chọrọ nwaatụrụ n'aka ha? Maọbụ ọ bụrụ na ha ewere atụrụ ụfọdụ, Chineke pụrụ ịchọ ehi. Tụkwasị kwa nke ahụ, óké igwè mmadụ ahụ gaeji ihe ha gaeri mgbe ha nọ n'ọzara.

Ihe niile Moses rịọrọ mere ka óké iwe wee ya na ọ gwara ya ka ọ pụọ, ka ọ ghara ịbịa n'iru ya ọzọ. Moses kwenyere ịrapụ Fero, náalaghachịghị kwa ọzọ, ma tupu ọ rapụ o nyere eze ịdọakaántị ikpèazụ̀ megide ndụ niile nke ụmụ ha niile eburu ụzọ mụọ.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Òlee otú esi gosi ndị Ijipt ebere n'iheotiti nke asaa ahụ? Ọ̀ bụ ha niile nábatara nke a? Gịnị mere ndị ahụ anaraghị ya?
2. Òlee otú anyị gaesi gbanarị ikpé niile nke Chineke?
3. Moses ọ̀ tụrụ Fero egwù? Gịnị mere ọ tụghị ya egwù?
4. Ihe ra añaa n'ihe anyị nwere ka anyị kwesịrị inyebiga Chineke mgbe anyị naefè Ya òfùfè?
5. Òlee otú ọchịchịrị ahụ si dị ukwuu n'Ijipt n'iheotiti nke iteghete ? Ọchịchịrị ọ̀ dị na Goshen?